**IME IHE IKE NKE AKPỌMASỊ E NWERE MAKA NDỊ NA-EME IHE DỊ ICHE N'OKIKE KPATARA NA WEST AFRỊKA**

**2024-041-FB-UA**

## Nchikọta

Ndị Otu Nnyocha mkpebi a na-akpọ Oversight Board nwere mmetụta nke ukwuu n'ihi na Meta ewepụghị ihe onyonyo na-egosi ebe ụmụ nwoke abụọ dị ka a kụrụ ha ebe ọbara si n'ahu ha na-apụta maka na asị na ha bu ụmụ nwoke abụọ na-enwe mmekọ ahụ. E bipụtara ihe onyonyo ahụ na Naijiriạ, bụ obodo na-ekpe mmekọrịta nwoke na nwoke maọbụ nwaanyị na nwaanyị dịka ime mpụ. N'igbanwe mkpebi mbụ ụlọ ọrụ ahu, Ndị Otu kwuru na site n'ịhapụ ihe onyonyo ahụ na Facebook ruo ọnwa ise, e nwere ike ịmerụ ụmụnwoke ndị ahụ ahụ ozugbo site n'igosi ihu ha na ihe ndị ọzọ gbasara ha, ebe e nwere akpọmasị maka ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ LGBTQIA+na Naijiria. Ụdị mmebi a bụ nke a na-eme na ntabianya ma burụkwa nke a na-agaghị agbanwenwu. Ndị nchịkwa atọ bụ mmadụ mere mkpesa ọtutụ mgbe ma nyochakwa mbiputa a kesara ma kwa ime ihe ike na ikpa oke emo, dara Ụkpụrụ Ogbakọ anọ anyị. Nsogbu a gosipụtara na ndị na-amanye iwu anaghị ọrụ otu kwesịrịnụ. Ntuziaka Ndị Otu gụnyere ọkpụkpọ oku ka Meta nyochaa ntinye iwu kwesịri ekwesi n'orụ n'okpuru ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard'. Ha na-edozikwa nsogbu ndị nwere ike ịdaputa na nchọpụta asụsụ na-ezighị ezi n'ihe onyonyo Meta chọpụtara na otu ụlọ ọrụ si eme n'ihe gbasara asụsụ ndị ọ na-akwadoghị ibipụta ozi na ya n'ùkwù.

### Gbasara Okwu ahụ

Otu onye na Facebook na Naijiria tinyere ihe onyonyo na-egosi ụmụ nwoke abụọ dị ka e kere ha eriri ma kụọ ha ihe dịka nke mere ọbara jiri si ha n'ahụ na-apụta. Ndị nọ n'ebe ụmụ nwoke ahụ nọ jụrụ ha ajụjụ n'otu n'ime isi asụsụ obodo Naijiria bụ Igbo. Dịka azịza, otu n'ime ụmụ nwoke ahụ kwuru aha ya ma kọwaa, dịka onye a kwanyere

n'ike, na e tiri ya ihe n'ihi na ya na nwoke ọzọ na-enwe mmekọahụ. Onye ahụ nọ na Facebook binyere ihe onyonyo a gbakwunyere isiokwu n'asụsụ Bekee na-akwa ụmụnwoke ndị ahụ emo, na-ekwu na e jidere ụmụ nwoke abụọ ahụ ka ha na-enwe mmekọahụ nakwa na nke a bụ ihe "n'akpa ọchị" n'ihi ha lụrụ onwe ha.

Elere vidiyo a karịa ugboro nde 3.6. N'ime Disemba 2023 mgbe e bipụtara ya ruo ọnwa Febuwarị afọ 2024, mmadụ 92 mere mkpesa maka ihe onyonyo ahụ, ọnụọgụgu karịrịnụ mere mkpesa ya dika ime ihe ike na nkwanye ime ike maọbụ okwu akpọmasị. Mmadụ abụọ bụ ndị nnyocha kpebiri na o mebighị Ụkpụrụ Ogbakọ ọbula ya mere o ka ga-anọ na Facebook. Otu onye rịọrọ Meta ka ọ gbanwee mkpebi ya, mana, ka onye ọzọ mechara nnyocha, ụlọ ọrụ kpebiri ọzọ na emebighị iwu ọbụla. Onye ahụ rịọrọ Ndị Otu ka agbanwekwa mkpebi ahụ. Ka Ndị Otu dọtachara uche Meta na nsogbu ahụ, ụlọ orụ wepụrụ mbiputa ahụ dịka ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard si hiwe'.

Naijiria na-ekpe mmekọrịta nwoke na nwoke ma ọ bụ nwaanyị na nwaanyị ka mpu, ka a na-akpọ ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ LGBTQIA+ asị yana ọtụtụ ihe ndị ozọ na-egbochi ikikere ha dịka mmadụ ha bu.

**Nchọpụta Ndị Dị Mkpa**

Ndị Otu chọpụtara na mbiputa ahụ dara Ụkpụrụ Ọgbakọ ano dị iche iche, gụnyekwa ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard.' Nkweta nwoke ahụ na o dinara nwoke ibe ya n'ihe onyonyo ahụ bụ nke a kwanyere ya ka o mee, dịka isiokwu ahụ kwuputara kpọmkwem na ha bụ ndị ikom na-edina onwe ha. Mbiputa ahụ dakwara iwu gbasara okwu akpọmasị, nkwanye mmadu ime ihe mmadụ na-achoghị ime na mmaja, mbiputa eserese na-egosi ime ihe ike.

E nwere iwu abụọ na nkwupụta na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbu nwaanyị na nwaanyị ibe ya n'ihu ọha n'okpuru ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard.' Nke mbụ dị mkpa ebe a ma bụrụ nke a ga-etinye n'ọrụ n'ụbara. Ọ na-amachibido: 'nkwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọha: ikpughee njimara maọbụ ebe jikọtara onye ọbụla e boro ebubo ka onye bụ onye otu

ndị na-ekwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọha:"E nwere iwu yiri ya a na-etinye n'ọru naanị mgbe e wegara ndị ọkachamara Meta ihe e bipụtara. Ọ na-emetụta Ndị Otu na Meta akọwapụtaghị ndịiche dị n'iwu nkwupụta mmadu dịka onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya n'ihu ọha abuọ nke ọma ma iwu ahụ e tinyere n'ọrụ n'ozuzu ekwuputaghị na "nkwupụta mmadu dịka onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya n'ihu ọha " metụtara ịkọta ndị mmadụ dịka ndị na-eme ihe dị cihe n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ n'obodo ndị e nwere ohere dị elu imerụ mmadụ ahụ na mpụga ịntanetị, dịka Naijiria. Ugbu a, ozi a dị adị naanị na ntuziaka ndị njikwa. Ihe mgbagwojuanya a nwere ịgba mmadụ gharịị, ma mee ka ndị ji ebe mgbasa ozi eme ihe ghara idebe iwu, nakwa gbochie ndị ebu n'obi mee mbipụta na-akparị mmadụ ime ihe ha kwesịrị ime ka ewepụ mbipụta ndị ahụ. Meta kwesịrị imelite iwu ha gbasara ọha ma nye ọmụmaatụ otu ndị na-ekwupụta na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya n'ihu ọha.

A hapụrụ mbipụta a ruo ihe ruru ọnwa ise, n'agbanyeghị na o dara iwu abụọ di iche iche nakwa na-egosi ime ihe ike na ikpa oke. Ndị nchịkwa bụ mmadụ nyochara mbipụta ahu ma ghara ịchọpụta na o megidere iwu. Ka aka hapụrụ ihe onyonyo ahụ, ohere mmadụ ịkọta ụmụnwoke abụọ ahụ na mbipụta ahụ ịgba ndị mmadụ ume ka ha merụọ ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ na Niajiria mụbara. E mechara wepụ ihe onyonyo ahụ ma n'oge ahụ, ọ gbasaalarị. Ma mgbe e wepụchara ya, nchọpụta Ndị Otu gosiri na aka nwere ụfọdụ akụkụ otu ihe onyonyo ahụ ka fọrọ na Facebook.

Mgbe Ndị Otu ahụ jụrụ Meta gbasara ihe ha ga-eme ịhụ na e dobere iwu, ụlọ ọrụ ahụ kwuputara nkwarụ abụọ. Nke mbụ, igwe akpaaka ndị na-achọpụta asụsụ chọpụtara ihe onyonyo ahụ ka asụsụ Bekee, tupu o zigara ya maka mmadụ inyocha ya, ka ndị otu Meta mechara ghotahie asụsụ a sụrụ n'ihe onyonyo ahu ka asụsụ Swahili. Asụsụ ahụ n'ezie bụ Igbo, nke ọtụtu nde mmadụ na-asu na Naijiria, mana Meta akwadoghị ya maka iji ya achọpụta ọtụtụ ntụnye megidere ụkpụrụ ọgbakọ n'ebe mgbasaozi. Ọ bụrụ na-akwadoghị asụsụ ahụ, dịka n'okwu a, mgbe ahụ a na-ezigara ndị nnyocha bụ mmadụ mbiputa ahụ bụ ndị na-arụ ọrụ n'ọtụtụ asụsụ ma na-adabere n'otụtụ ntụgharị asụsụ nke nkanuzu Meta mepụtara. Nke a na-akpali mmetụta gbasara etu e si emeso mbiputa dị n'asụsụ ndị a na-akwadoghị, nhọrọ asụsụ ndị ụlọ ọrụ kwadoro maka

nnyocha n'ozuzu nakwa izi ezi nke ntụgharị enyere ndị nnyocha na-arụ ọrụ n'ọtụtụ asụsụ.

**Mkpebi Ndị Otu Na-enyocha Mkpebi**

Ndị Otu Nnyocha mkpebi a na-akpọ Oversight Board gbanwere mkpebi bụ Meta ịhapụ mbipụta ahụ

Ndị Otu kwadoro ka Meta:

- Melite Ụkpụrụ na-amachibido mbipụta na-akwado ma na-akwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ na "nkwuputa na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya n'ihu ọha" iji gunye ezi ọmụmaatụ "ndị otu na-ekwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe ya maọbụ onye na-edina nwaanyị ibe ya n'ihu ọha," gụnyere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ n'obodo ndị a hụtara mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka arụ na/maọbụ ebe ụdirị mkpughe ahụ na-ekepụta ihe ize ndụ dị njọ nye nchekwa.

- Mere nnyocha izi ezi mmanye iwu nke mmachibido ọtụtụ mbipụta n'ebe mgbasaozi na mkpughe njimara maọbụ ebe onye e boro ebubo ịbụ otu n'ime ndị na-ekwuputa na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe n'ihu ọha nọ, n'okpuru ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard.'
- Jide n'aka na ọ bụ sistemụ na-achọpụta asụsụ n'ezie chọpụtara mbiputa dị n'asụsụ ndị a na-akwadoghị ma gosi ndị nnyocha na-anaghị adabere n'igwe ntụgharị asụsụ ezi ntụgharị ụdị mbiputa ahụ.
- Jide n'aka na a ga-eziga mbiputa dị n'asụsụ a na-akwadoghị maka nnyocha ziri ezi, ọ bụrụgodinu na e bipụkọtara ya n'asụsụ ndị a kwadoro ọnụ maka nnyocha ziri ezi. Nke a gụnyere inye ndị nnyocha nhọrọ izigagharị mbiputa dị n'asụsụ a na-akwadoghị maka nnyocha ziri ezi.

*Nchikọta okwu wepụtara nkọwa okwu gasi ma o nweghị mkpa ọ dị n'ikpe mpaghara.

# Mkpebi Okwu Niile

1. **Nkọwapụta Okwu na Ọnọdụ**

Na Disemba 2023, otu onye na Facebook na Naijiria tinyere ihe onyonyo na-egosi ụmụ nwoke abụọ a hụrụ nke ọma yiri ndị a kụrụ ihe. Ha nọdụrụ ọdụ n'ala, n'akụkụ otu osisi na eriri, nke na-egosi na ọ pụrụ ịbụ na e kere ha agbụ, ọbara si ha n'ahụ apụta nke ukwuu. Ọtụtụ ndị jụrụ ụmụ nwoke ahụ ajụjụ n'otu n'ime isi asụsụ obodo Naijiria bụ Igbo. Otu n'ime ụmụ nwoke ahụ kwuru aha ya ma kọwaa, dịka onye a kwanyere n'ike, na e tiri ya ihe n'ihi na ya na nwoke ọzọ na-enwe mmekọahụ. Ụmụ nwoke abụọ dịka ndi ujọ ji ma otu onye nọ ebe ahụ ihe a na-eme gbara otu n'ime ha ahụ ụkwụ. Onye ahụ nọ na Facebook binyere ihe onyonyo a gbakwunyere isiokwu n'asụsụ Bekee na-akwa ụmụnwoke ndị ahụ emo, na-ekwu na e jidere ụmụ nwoke abụọ ahụ ka ha na-enwe mmekọahụ nakwa na nke a bụ ihe "na akpa ọchị" n'ihi ha lụrụ onwe ha.

E lere mbiputa ahụ ihe karịrị ugboro nde atọ na nari puku isii (3.6 miilion times), nwetara ihe dịka ngosipụta obi ndị nkiri puku itoolu (9,000 times) na okwuntụkwasa puku asatọ (8,000 times), ma e kesara ya ihe dịka ugboro puku ise (5,000 times). N'etiti Disemba 2023 na Febuwarị 2024, mmadụ iri itoolu na abuọ (92) mere mkpesa ugboro otu narị na iri na abụọ (112 times), ọtụtụ n'ime mkpesa n'okpuru ụkpụrụ Ime ihe ike na Mkpali na Okwu Ịkpọasị nke Meta. Ndị nchịkwa abụọ bụ mmadụ nyochara ọtụtụ mkpesa ahụ ma ha kpebiri na mbiputa ahụ emegideghị Ụkpụrụ Ọgbakọ ọbụla ma n'ihi nke a ọ ka ga-anọ na facebook. Otu n'ime ndị Ojiarụ ahụ rịọrọ ka e nyochagharị mkpebi Meta idebe mbiputa ahụ. Ka onye ozọ nyochara mbiputa ahụ ọzo, ụlọ ọrụ kpebiri ọzọ na mbiputa ahụ emebighị iwu ya ọbụla. Onye ahụ rịọrọ Ndị Otu ka agbanwekwa mkpebi ahụ. Ka Ndị Otù ahụ dọtachara uche Meta n'okwu ahụ na Mee 2024, ụlọ ọrụ ahụ nyochara mbiputa ahụ n'okpuru iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard'. ya, ma wepụ ya na Facebook. N'isochi mwepụ ihe onyonyo izizi Meta mere, Ka a gara n'ihu mee nnyocha, Ndị Otu chọpụtara ọtụtụ mgbe a hapụrụ otu ihe onyonyo ahụ n'ebe mgbasaozi ahụ na Disemba 2023, gunyekwa na Otu Facebook gasi. Ka Ndị Otu kagburu ọtụtụ akụkụ otu ihe onyonyo ahụ ka fọrọ n'ebe mgbasaozi, Meta wepụrụ ha ma tinye ihe onyonyo ahụ na 'Media Matching Service bank, nke na-achopụta ma na-ewepụ mbiputa ndị a na-ahụtaalarị ka ihe megidere iwu ozugbo. Ọ bụ ezie na ụdị mmebi iwu a nwere ike ịkpata ihe nkwụsi nnwetaohere nye onye tinyere mbiputa ahụ, Meta etinyeghị ya n'ọnọdụ a n'ihi na e biputara ihe onyonyo ahụ ihe karịrị ụbọchị iri iteghete (90) tupu amanye iwu ọ bụla.

Ụkpụrụ Meta na-ekwu na ọ naghị etinye nkwụsị nnwetaohere n'akaụntụ ndị nwere ihe mbiputa dara iwu karịrị ụbọchị 90.

Ndị Otu ahụ tulere ihe ndị a na-esotenụ ka ha rutere mkpebi ha n'okwu a:

Ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ na Naijiria na n'ọtụtụ akụkụ ụwa ndị ọzọ na-enweta mmeso ihe ike, ntaramahụhụ na ịtụ mkpọrọ ma ọnwụ kwa n'ihi nhọrọ okike na mmekọrịta maọbụ njimara okike ha, ka mmetụta megidere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ na-amụbanye. (Lelee okwuntụkwasa nke ọha sitere na Outright International, PC-29658). Ikpaso ndị mmadụ oke maka nhọrọ mmekọrịta ha maọbụ maka njimara okike ha na-ebelata ndụ kwa ụbọchị, na-emetụtakwa ikikere ha ndị dị mkpa dịka mmadụ ha bu. Ndị na-echekwa ikikere ndị bi n'obodo a na-akpọ Amnesty International kwuru na, na Afrịka, obodo iri atọ na otu (31) na-ekpe mmekọrịta ndị inyom na inyom ibe ha maọbụ ndị ikom na ikom ibe ha ka mpụ. Ntaramahụhụ gụnyere ịtụ mkpọrọ na mmerụ ahụ. Iwu Naijiria Machibidoro Mmekọrịta Nwoke Na Nwoke maọbụ Nwaanyị na Nwaanyị ibe ya anaghị ekpe naanị mmekọrịta nwoke na nwoke maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka mpụ ma ha na-amachibidokwa ha igosi ịhụnanya n'ihu ọha ma gbochie ọrụ ndị ụlọ ọrụ na-ekwuchitere ikikere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+. Ọzọkwa, a ka na-amanye iwu e mere n'oge ndị ọcha bịara na iwu ndị ọzọ metụtara ịma ihe ọma na ihe ọjọọ ndị ọzọ n'ihe banyere mmekọahụ dị iche n'otu okike si mee, ịkwa iko ndị nọ na alumdi n'ezi na ime ihe na-ezighị ezi iji gbochie ikikere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+, nke na-akpata nsonaazụ ndị na-emebi ihe.

N'akụkọ 2024, Onye Okachamara na nchekwa megide ime ihe ike na ikpa oke n'ihi nhọrọ mmekọrịta na njimara okike kwuputara na: "Steeti na mpaghara ụwa niile etinyeela iwu na ụkpụrụ ndị dị adị maọbụ mebe usoro ọhụrụ, nakwa ụfọdụ mgbe nke siri ike iji belata ikikere ikwu okwu, ọgbakọ na nzụkọ udo ka a na-ede ndị mmadụ dabere na nhọrọ mmekorịta ha na njimara okike ha kpọmkwem," (Akụkọ A/HRC/56/49, Julai 2024, na nkebi 2).

Ndị bu mgbanwe n'isi na ndị nzụkọ na-akwado ọgbakọ ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+nwere ike ịbu ndị iwu ga-egbochi, yinye egwu, wuchie ha n'ụzọ iwu n'akwadoghị, mwakpo ndị uweoji na-anataghị ikikere na nkwụsị ọrụ yana nyinye egwu ime ihe ike na-akụda mmụọ ọha ikwado ikikere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA (lelee okwuntụkwasa ọha sitere n'aka Ndị Otu Nkwado Ikikere Mmadụ N'Afrika, PC-29657). Ụlọ ọrụ na-akwalite ikikere mmadụ nwere ike inwe ihe ịra

ahụ idetu okwu gbasara mmegbu na ikpa oke gasi n'ihi ụjọ mmegwara n'aka ndị ọchịchị nakwa ndị otu a na-enyeghi ikikere n'obodo dịka ndị nche na ndị agha. E nwere ike ndị ntaakụkọ na-edekọ nsogbu ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ ede ha ede.

Soshal midia bụ ebe dị mkpa maka ndị ụlọ ọrụ na-akwalite ikikere mmadụ idetu ihe mgbochi ikikere, mmegbu ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ ikwado ka enwe nchekwa sikwuru ike. Ndị mmadụ na-ekesa ihe onyonyo gasi, nkwuputa, na akụkọ iji maa ọkwa ma na-akwado ka ndị gọọmentị na-akwalite ụkpụrụ ikikere mmadụ(Lelee okwu ọha nke si n'aka Ndị Nche ikikere Mmadụ, PC-29659). Na mgbakwunye, ebe mgbasa ozi nwere ịbụ ebe a na-eirita ozi, na-enye ndị mmadụ akụkọ gbasara mmebe iwu yana nnwetaohere enyemaka iwu. Nchọcha nkịtị nke Ndị Otu nyere iwu ka eme na-egosi na ebe mgbasa ozi gasi nwere ike ịbụ ihe ga-aru ọrụ dị mkpa maka ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+n'obodo iwu ha na-egbochi ọtụtụ ihe. Nchọcha ahụ gosiputara na Facebook, dịka ịmaatụ, na-enye ndị nọ na ya ohere ijikọ, gunyekwa izo onwe nakwa n'otu ndi nwere mgbochi nnwetaohere, iji kerita akụrụngwa n'okirikiri dịkwu nchekwa karịa gburugburu anyị nọ.

Ndị ọkachamara Ndị Otu kpọtụrụ kwuru na ndị ọchịchị steeti n'ụfọdụ obodo Afrika na-ejikwa soshal midia esochi ma na-ebelata ihe omume ndi nọ na ya ibiputa ihe gbasara ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+. Ndị ọkachamara ahụ kwuru na na Naijiria, ndị nchịkwa nwere mgbochi na nnwetaohere mbiputa ihe gbasara ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+. Dịka Freedom House si kwuo, Naijiria ehiweela iwu njikwa iji jikwaa ebe mgbasa ozi n'ubara, nke nwere ike imetụta ikikere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+. N'otu aka ahụ, Access Now – ụlọ ọrụ na-akwalite ikikere ndị nọ n'ịntanetị - na-akọ na iwu cybercrime na Ghana na enyere ndị nchịkwa ikikere inye iwu mwepụ maọbụ imachibido mbiputa nke nwere ike igbochi ntụnye oha n'ihe banyere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+, ma gbochie ndetu oge e nwere mmegbu mmadụ na ozi dị mkpa maka obodo.

Ndị nchịkwa na-enweghị ikikere n'obodo gụnyekwa ndị nche, na-ede ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ site n'ịkụ ha ihe, ịbịa n'otu emeso ha ihe n'ike, imenye ha ihe ihere n'ihu ọha nakwa mgbochi ikikere ha n'obodo. Ịmaatụ, na Ọgọọst 2024, a hụrụ ozu otu nwoke mere onwe ya nwaanyị nọ na Tik-Tok amara ka “Abuja Area Mama” dịka e kwuru na a kugburu ya n'isi obodo Naijirịa bụ Abuja. Ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ nwere ike ịbụ ndị ndị ọzọ nọ n'obodo

chọpụtara nhọrọ mmekọrịta na njimara okike ha ga na-akagide anya. Dịka Ndị Nche ikikere Ndị Bi N'obodo bụ Human Rights Watch si kwuo, ọdịdị iwu Naijiria na-akwado imeso ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ ihe ike ma kepụta ohere ime ihe ike a na-asọghị anya.

**2. Nnyefe Ojiarụ gasi**

N'okwu ha gwara Ndị Otu, onye mere mkpesa maka mbiputa ahụ kwuru na a kụrụ ụmụ nwoke nọ n'ihe onyonyo ahụ ihe naanị n'ihi na ha bụ ndi ikom na-edịna onwe ha. Onye ahụ kwuru na, Meta na-enye ohere ka ebe mgbasa ozi ya bụrụ ebe onye ọbụla ga na-egosi akpọmasị na akpọmasị ndị inyom na ndị ikom na-edina onwe ha site n'ịhapụ ihe onyonyo ahụ nakwa ọ bụrụ na ihe onyonyo ahụ bụ ihe mere n'obodo Ndịocha, a gaala ewepu ya.

**3. Iwu Mbiputa Meta na Nnyefe gasi**

*I. Iwu Mbiputa Meta*

Iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard'.

Iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard' bu n'obi "igbochi ma kwụsị mmerụahụ na gburugburu mmadụ bi yana ṅṅọmị agwa" site n'imachibido "mmezu, nhazi, nkwalite, maọbụ ikwenye ufọdụ ihe omume na-ebute mmerụahu maọbụ mpụ megide ndị mmadụ, ọrụ, ihe onwunwe maọbụ ụmụ anụmanụ ebu n'obi eme ya". Ahịrịokwu iwu abụọ na Ụkpụrụ Ọgbakọ ahụ kọwara banyere "nkwuputa na mmadụ bụ inyom maọbụ ikom na-edịna inyom maọbụ ikom ibe ya n'ihu ọha," nke mbụ e tinyere n'ọrụ n'ụbara, nke abụọ dị mkpa itinye n'ọrụ ma "okwu ọzọ dapụta tupu e tinye ya n'ọrụ" (nke pụtara na a na-etinye ahịrịokwu ụkpụrụ ahụ n'ọrụ ma ọ ka njọ). Ahiriọkwu mbụ iwu ahụ dabara n'okwu a. Ọ na-amachibido "nkwuputa na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya n'ihu ọha" kpọmkwem: ikpughe njimara maọbụ ebe jịkọrọ onye asi na ọ bụ onye otu ndị na-ekwuputa na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya n'ihu ọha. "Ahiriokwu iwu a anaghị akọwa otu ndị a na-ele anya ka otu na-ekwuputa na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya n'ihu ọha."

Etinyeghị ahịrịokwu abụọ iwu, nke a na-etinye n'ọrụ naanị ma ihe ka njọ n'ọrụ n'okwu a, ọ na-amachibidokwa "nkwuputa na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya n'ihu ọha: ikpughe njimara mmadụ ma tinye ha n'ihe ize ndụ mmerụahụ" maka otu ndị na-adịghị ike kpọmkwem, gunyere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+, ụmụ nwaanyị ekpuchiri ihu ha, ndị bụ mgbanwe n'isi, na ndị a nwuchiri n'agha.

Dịka ntuziaka nnyocha mbiputa Meta nyere ndị nnyocha mbiputa si hiwe n'ahịrịokwu mbụ nke iwu ahụ, mkpughe njimaranwere ike ime site n'ojiji ozi nkeonwe dịka aha mmadụ maọbụ ihe onyonyo ya Ntuziaka nnyocha mbiputa Meta gụpụtara otu ndị na-ekwupụta na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom na inyom ibe ya n'ihu oha,"gunyekwa ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ n'obodo ebe njịkọ otu nwere ike ịbu ihe ize ndụ nye ndị otu ha. O kwukwara na "nkwupụta na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom na inyom ibe ya n'ihu oha" ga-abụrịrị nke na-esighi n'obi: mmadụ agaghịekwu na ya so n'otu (ịmaatụ, site n'ikwupụta na ha so n'otu ndị na-ekwupụta na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom na inyom ibe ya n'ihu oha).

Iwu Mbiputa Eserese Na-egosi Ime Ihe Ike

Iwu Mbiputa Eserese Na-egosi Ime Ihe Ike na-ekwu na a ga-edowe ụfọdụ ihe onyonyo ndị mmadụ na-emetụ n'obi n'enyongosipụta na-adọ mmadụ aka na ntị. Nke a gụnyere "Ihe onyonyo na-egosi imeso mmadụ maọbụ otu ihe ike(ịmaatụ, mmeso ihe ike maọbụ iyinye ndị a nwuchiri n'ike egwu na a ga-egbu ha)." Ya mere, ọ burụ na "okwu na-agbawa obi,"sochiri ya, a ga-ewepụ mbiputa ahụ. A na-akọwapụta okwu mgbawa obi n'iwu ọha na-enweta ka "nkwupụta – dịka isiokwu maọbụ okwu – na-egosi inwe ọṅụ maọbụ ihe ụtọ n'ahụhu maọbụ mmenye ihe ihere nke mmadụ na anụmanụ.

Iwu Megidere Mmegbu na Mmaja

Iwu Ọgbakọ Megidere Mmegbu na Mmaja bu n'obi igbochi ka ndị nọ n'ebe mgbasa ozi Meta ghara inweta nyinye egwu na ụdịrị mmaja ndị ozọ na-anaghị egosi nkwanye ugwu nye mmadụ, na ụdịrị agwa ahụ "na-egbochi ndị mmadụ inwe nchebe na nkwanye ugwu." Iwu a na-amachibido mbiputa na-ede ndị mmadụ site "n'ịṅụrị ọnụ maọbụ na-akwa ha emo mgbe ha nwụrụ maọbụ mgbe ha nọ n'ọrịa."

Iwu Megidere Okwu Akpọmasị

Nkọwapụta Iwu Megidere Okwu Akpọmasị Metakọwara okwu akpọmasị ka mwakpo e mere mmadụ kpọmkwem n'ihi maka njimara mmadụ iwu kwadoro, gunyekwa, mmasị na mmekọrịta ahụ. Ọ na-amachibido mbiputa na-ede ndị mmadụ ma n'ihe e dere ede maọbụ nke a na-ekiri, dịka: "Ikwa ọnọdụ, emume maọbụ ndị akpọrọ asị emo ọ bụrụgodinu na enweghị ezi mmadụ nọ n'ihe eserese ya." Ntuziaka nnyocha mbiputa Meta na-akọwapụta mpụ ịkpọ asị ka agwa mpụ" eji obi ekworo mee na-ede ndị mmadụ dabere na [njimara ha iwu kwadoro]."

*II. Nnyefe gasi Meta*

Ka Ndị otu họrochara okwu a, Meta chọpụtara na mbiputa a dara iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard maka ịchopụta ndị otu "otu na-ekwuputa na mmadụ bụ inyom maọbụ ikom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya n'ihu ọha" n'obodo ebe otu di otu ahụ nwere ike ime ihe ndị ga-abụ ihe ize ndụ nye nchekwa ndị otu ha. Meta kwuru na isiokwu onye ahụ kwuru na ụmụ nwoke ndị ahụ bu ndị ikom na-edina onwe ha, ma nkweta otu n'ime ụmụ nwoke n'ihe onyonyo ahụ dị ka ihe a gwara ya mee, na-egosi na "nkwuputa ya na ọ bụ ikom na-edina ikom ibe ya n'ihu ọha," site n'ịgba ihu n'anwụ, bụ ihe na-esighị ya n'obi.

Meta chọpụtara na nchọpụta ndị nnyocha na mbiputa ahụ emegideghị Ụkpurụ Ọgbakọ ọbụla eizghi ezi ma nyochaa ihe mere nkwarụ a ji mee. N'okwu a, ọ dị ka ndị nnyocha lekwasịrị anya naanị n'iwu Megidere Mmegbu na Mmaja metụtara "nkwupụta gbasara mmekọrịta, nhọrọ mmekọrịta maọbụ njimara okike' megide ndị mmadụ ma chọpụta na adaghị ụkpụrụ ahụ, na-atụleghị mmebi iwu ndị ọzọ e nwere ime. Iwu ahụ na-achọ ka aha na ihu onye ahụ mere mkpesa maka mbiputa ahụ na onye e gosiri na ndịnaya ahụ bụrụ otu tupu ewepụ ya. Ebe onye ahụ na-eme mkpesa maka mbiputa ahụ abụghị onye nọ n'ihe onyonyo ahụ n'okwu a, ndi nnyocha hụtara ya ka ihe na-emegideghị ụkpụrụ. N'isochi nnyocha ya, Ndị otu nnyocha Meta bụ mmadụ gakwuru n'ihu imelite izi ezi n'itinye iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard n'ọrụ, na-eziga ncheta ụkpụrụ nakwa na-eme nnwale amamihe n'ihe ize ndụ nkwuputa na mmadụ bụ ikom maọbụ inyom na-edina ikom maọbụ inyom ibe ya

Na nzaghachị ajụju Ndị otu, Meta kwenyere na mbiputa ahụ dara Ụkpụrụ Ọgbakọ atọ ndị ọzọ.

Mbiputa ahụ dara iwu megidere Mbiputa Eserese Na-egosi Ime Ihe ike dịka ihe onyonyo ahụ gụnyere okwu ndị na-agbawa obi banyere agwa "mmegbu" e gosipụtara yana otu ha si emeso ụmụ nwoke ndị ahụ ihe ike nke ukwuu nke gosiri ọnọdụ mwagideanya. E wezuga okwu ndị ahụ na-agbawa obi, a gaara akanye mbiputa ahụ ka nke dị mwute n'okpuru iwu a. O megidere iwu megidere Mmegbu na Mmaja n'ihi na isiokwu ahụ na-akwa umụ nwoke abụọ ahụ emo site n'ịrụtụ ọnọdụ ha aka ka "nke na-atọ ọchị" ka ha na-egosi mmerụahụ ha dị njọ. N'ikpeazụ, o megidere Iwu Ogbakọ Megidere Okwu Akpọmasị, ebe isokwu ahụ kwara ndị mpụ akpọmasị metụtara emo, ọkachasị mwakpo na iti ihe ụmụ nwoke abụọ nke ịkpọ asị kpatara n'ihi nhọrọ mmekọrịta ha hụtara.

N'ịzaghachị ajụjụ Ndị Otu, Meta kwenyere na o mere nnyocha ọzọ nke dubara na mwepụ akụkụ otu ihe onyonyo ndị ọzọ. E tinyere ihe onyonyo ahụ n'ebendobe mbiputa megidere ụkpụrụ Meta a na-akpọ Meta’s Media Matching Service banks iji gbochie ntinye ndị ọzọ n'ọdịnihu.

JMeta gwakwara Ndị Otu na ọ na-adabere na sistemụ na-achọpụta asụsụ yana igwe ntụgharị asụsụ iji nyere aka maka mbiputa na Igbo site na nnyocha ziri ezi n'ụbara. Meta nwere ndị na-asụ Igbo na-arụ ọrụ asụsụ nke ọma yana nnyocha mbiputa maka Igbo ma ihe ka njọ(ọ bụghị n'ụbara) Ụlọ ọrụ ahụ na-achọ ka ndị nnyocha ha bụ mmadụ burụ ndị maa asụ Bekee ọfụma yana "asụsụ ha eji agbasa ozi dị mkpa."Tupu e kwenye na asụsụ dị n'ihe onyonyo ahụ bụ Igbo, Meta ghọtahiere asụsụ a sụrụ n'ihe onyonyo ahu ka asụsụ Swahili na nkwukọrịta yana ndị otu. N'ikpeazu, Meta kọwara na n'ihi na isiokwu onye ahụ bipụtara ihe onyonyo ahụ dị na Bekee, igwe akpaaka ụlọ ọrụ na-achọpụta asụsụ chọpụtara asụsụ mbiputa ahụ ka nke Bekee, ma zigara ya ndị nnyocha bụ mmadụ na-asụ Bekee.

Ndị Otu jụrụ Meta ajụjụ 24 banyere ntinye iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard na iwu mbiputa ndị ọzọ n'ọrụ, Otu Meta si etinye ụkpụrụ ha n'ọrụ na Naijiria, Nchọpụta asụsụ mbiputa Meta na eme na ihe omume nnyocha mmadụ na-eme, yana arịrịọ gọọmentị na usoro mbelata ụlọ ọrụ na-emeela iji gbochie mmerụahụ. Meta zara ajụjụ niile ahụ.

## 4. Okwu Ọha

Ndị otu nnyocha mkpebi a na-akpọ Oversight Board nwetara okwu asaa nke dabara n'usoro nnyefe. E nyefere okwu anọ sitere n'obodo United State na Canada, abuọ si na Sub-Saharan Afrika ebe otu si na Europe. Iji gụọ okwu ọha a natara ikikere ha nyefee, pịa ebe a.

Nnyefa ahụ gasi kpuchiri isiokwu ndịa na-esonụ: Ime ihe ike megide ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+na West Afrika n'aka ndị njịkwa nwere ikikere na ndị nke na-enweghị ikikere, yana ihe ize ndụ metụtara ikpughe nhọrọ mmekọrịta/njimara okike mmadụ; mmetụta ikpe mmekọrịta nwoke na nwoke maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya na ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ ka mpụ; mmetụta ikpe agwa ka mpụ yana iwu mpaghara ndị ọzọ na Naijirịa, nakwa West Afrika n'ozuzu, n'ọrụ nke ndị ụlọ ọrụ na-akwado ikikere, ndị otu na-ekwuchitere mmadụ na ndị ntaakụkọ; nakwa ọdịmkpa ebe mgbasa ozi Meta dị, na soshal miidia n'ụbara, na mkparịtaụka, nkwanye na mgbasa ọmụma banyere ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+na Naijirịa na West Afrika n'ozuzu.

## 5. Nnyocha Ndị Otu na-enyocha mkpebi

Ndị Otu nyochara mkpebi Meta n'okwu a megide ụkpụrụ mbiputa Meta, nkwanyeugwu na okenọrụ ichekwa ikikere mmadụ. Ndị Otu nyochakwara ihe okwu ahụ ga-akpata maka otu Meta si schie nchịkwa mbiputa n'ụbara.

### 5.1 Nrubeisi N'Iwu Mbiputa Meta

*I. Iwu Mbiputa*

Ndị Otu chọpụtara na mbiputa megidere Ụkpụrụ anọ Ọgbakọ. Njikwa Mmerụahụ na Nkwalite Mpụ, Okwu Akpọmasị, Mbiputa Eserese na-egosi Ime Ihe Ike, na Mmegbu na Mmaja.

Mbiputa a dara iwu na-emegide iwu nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard na-

amachibido ịkọta ndị asị bụ ndị otu na-ekwupụta na ha bụ ndi inyom maọbụ ndị ikom na-edina inyom na ndị ikom ibe ha. Ndị Otu kwetere ihe Meta kwuru na ihe onyonyo ahụ na-ekpughe njimara ụmụ nwoke abụọ ahụ nke ha na-achọghị ka ekpughe, dịka ha yiri ka ndị a kụrụ ihe na ndị oke ụjọ ji. Nkweta na nwoke dịnara nwoke ibe ya n'ezie bụ nke a kwanyere ka ekweta ma bụrụ nke na-esighi n'obi. Na mgbakwunye, isiokwu ihe onyonyo ahụ kwuputara kpọmkwem na ụmụ nwoke ahụ bụ ndi ikom na-edina onwe ha.

Ọ na-adakwa iwu Okwu Akpọmasị na-emegide mbiputa na-akwa ndị mpụ akpọmasị metụtara. Ihe onyonyo ahụ gosiri nsonaazụ ime ihe ike megide ụmụ nwoke abụọ, nke gara n'ihu na-eme n'ihe onyonyo ahụ, yana mmerụahụ ahụ gosiputara nke ọma. Otu n'ime nwoke ụmụ nwoke ahụ kọwapụtara na a kurụ ha ihe n'ihi na ha abuọ bụ nwoke dịnara onwe ha, yana isiokwu ihe onyonyo gakwuru n'ihu na-egosi ihe a na-akụ ha na mkparị a na-akparị ha bụ nke otu ha si hụta nhọrọ mmekọrịta umụ nwoke ndị ahụ kpatara. N'ihi na isiokwu mbiputa ahụ kọchara ndị ahụ mpụ akpọmasị kpatara site n'ikwu na "ọ bụ ihe ọchị" na ha lụrụ alụ n'ezie, Ndị Otu kwenyere na ọ dabara na nkọwapụta Meta ka "ikwa emo."

Isiokwu mbiputa ahụ dara iwu megidere Mmegbu na Mmaja, n'ihi na ọ na-akwa mmerụahụ a hụrụ anya emo ("ọnọdụ ahụike") site n'ịrụtụrụ ọnọdụ ahụ aka ka"nke na-atọ ọchị."

N'ikpeazụ, Ndị Otu ahụ chọpụtara na mbiputa ahụ dakwara ụkpụrụ megidere Mbiputa Eserese Na-egosi Ime Ihe ike, ebe ọ gụnyere "okwu na-agbawa obi" e mere banyere agwa mmegbu e mere megide ụmụ nwoke abụọ n'ọnọdụ ịta ahụhụ na mmenye ihere. N'aka nkeonwe ya, yana ewepu mmebi iwu ndị ọzọ dịnụ adị, nke a ga-akpata igosi enyongosipụta na-adọ mmadụ aka na ntị. Ya mere, dịka isiokwu ahụ nwere "okwu ndị na-agbawa obi" na-eme akaja maka ime ihe ike na ntigbu nke megidere ụmụ nwoke ahụ, iwu ahụ chọrọ ka ewepụ ndịnaya ahụ.

*II. Ntinye Iwu N'ọru*

Ọ metụtara Ndị Otu na a hapụrụ mbiputa na-egosi ụdịrị ime ihe ike na ikpa oke dị oke njọ, nke dara Iwu Ọgbakọ anọ ka ọ nọgidere ihe ruru ọnwa ise, ma ụfọdụ akụkụ otu ihe onyonyo ahụ ka forọ n'ebe mgbasaozi ahụ ka e wepụchara ihe onyonyo nke mbụ. Ka e biputachara ya na Disemba 2023, mmadụ iri iteghete na abuọ (92) mere mkpesa banyere ihe onyonyo ugboro nari otu na iri na abụọ (112 times), nke bụ na n'oge ahụ otu ihe e biputara enwetaala nkiri nde na ngosipụta obi ọtụtụ puku. Ndị nnyocha atọ bụ mmadụ nyochara mkpesa ahụ n'onwe ha yana arịrịọ sochiri ya ka ewepụ ya. Ha naatọ kpebiri na enweghị iwu ọbụla a dara, nke doro anya na ọ bụ maka na ha anaghị enyocha mbipụta ndị ahu n'usoro Iwu Ọgbakọ niile. Na mgbakwunye, o nwere ike ndị nnyocha amaghị asụsụ Igbo maọbụ mee nnyocha ziri ezi ebe igwe akpaaka ụlọ ọrụ na-achọpụta asụsụ ghọtahiere asụsụ mbiputa ahụ ka Bekee, ma zigara ya ndị nnyocha bụ mmadụ na-asụ Bekee.

**5.2 Nrubeisi N'Ụkpurụ Okenọrụ Ichekwa Ikikere Mmadụ Nke Meta**

Ndị Otu chọpụtara na ịhapụ mbiputa ahụ n'ebe mgbasaozi adabaghị n'okenọrụ ichekwa ikikere mmadụ nke Metama atulee Iwu Nduzi UN n'ihe gbasara Ọrụ na Ikikere Mmadụ Na 2021, Meta mara ọkwa na Iwu Nchekwa Ikikere Mmadụ nke Ụlọ Ọrụ ya, nke ụlọ ọrụ kweghariị nkwa ikwanyere ikikere mmadụ gasi ugwu dịka UNGPs si chọọ. N'okpuru Ụkpụrụ Nduzi 13, ụlọ ọrụ kwesịrị "izere ikpata maọbụ itinye aka n'ihe ọbụla ga-emetụta ikikere mmadụ n'uzọ dị njọ site n'ihe omume ha "ma" gbochie maọbụ belata ihe ọbụla ga-emetụta ikikere mmadụ n'uzọ dị njọ nke jịkọro kpọmkwem n'ihe omume ha, ihemmepụta maọbụ ọrụ ha" ọ bụrụgodinụ na ha etinyeghị aka na mmetụta ndị ahụ.

N'ịkọwapụta UNGPs. Ndị Otu eṅọmieela ntuziaka Ndị Ọrụ UN na-ahụ maka Nchekwa Ikikere Ikwu Okwu na Nkwupụta Uche na ụlọ ọrụ ebe mgasaozi kwesịrị itulee iwu ikikere ikwu okwu gburugburu uwa e hiwere na Edemede 19 na 20 Nkwekọrịta Mbaụwa Ichekwa Ikikere Ndọrọndọrọ Ọchịchị na Keobodo (lelee nkebi gasi.). Nkebi 44-48 nke akụkọ 2018 Ndị Ọrụ UN na-ahụ maka Nchekwa Ikikere Ikwu Okwu, A/HRC/38/35 na nkebi 41 nke akụkọ Ndị Ọrụ UN na-ahụ maka Nchekwa Ikikere Ikwu Okwu 2019, A/74/486).

Edemede 20, nkebi 2 n'ime IPR ahụ kwuru na "nkwado akpọmasị gbasara mba, agburụ maọbụ okpukerechi nke mejupụtara nkwanye ikpa oke, ibu iro maọbụ ime ihe ike kwesịrị ka a machibido ya n'iwu." Mmachibido a dabara "ọfụma" n'ikikere ikwu okwu dịka e dere na edemede 19 [ICCPR], ihe omume nke nwere ọrụ na okenọrụ pụrụ iche nke ya," (Okwu Izugbe Nọmba 11, (1953), nkebi 2). Atụmatụ Ihe Omume Rabat n'imachibido nkwado akpọmasị maka mba, agbụrụ maọbụ okpukperechi nke mejuputara nkwanye ikpa oke, ibu iro maọbụ ime ihe ike bụ ihe dị mkpa iji kọwapụta Edemede 20, nkebi 1 A/HRC/22/17/Add.4, 2013, nkebi 29). Ọ setipụrụ usoro isii dị mkpa maka steeti ikpebi ma ha ga-amachibido okwu: "ọnọdụ mejupụtara okwu; ọnọdụ onye na-ekwu okwu; nke ebu n'obi ikwanye ndị mmadụ imegide ndị ha bu n'obi; ndịnaya okwu; oke mgbasa ruru, na mmerụahụ nwere ike isochi, gụnyekwa ohere ime," Ndị Otu naha eji usoro ndị a ekpebi ọdịmkpa na nhatanha nke mmachibido ikwu okwu nke si n'aka Meta. N'okwu a, Ndị Otu na-atụlee otu usoro ndị ahụ mgbe ha na-enyocha ma Meta ọ kwesịrị ịwepụ mbiputa ganye okenorụ o nwere n'ichekwa ikikere mmadụ.

Ndi Otu chọputara namkpebi mbụ Meta ịhapu mbiputa ahụ n'ebe mgbasaozi kepụtara ihe ize ndụ mmerụahu ụmụ nwoke ahụ n'ihe onyonyo ahụ, nke kpatara mwepụ ya. N'obodo dịka Naijirịa, ebe agwa ndị bi n'obodo na-ekpe mmekorịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka mpụna-abolite mmeso nwoke ya na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka mpụ E meghị ihe kwesịrị ekwesi n'ihe onyonyo a n'oge, na nhapụ ya ka a na-ekerịta ya n'ụbara, nwere ike ịbụ ihe kpatara ọnọdụ ekworo ahụ, na-ekepụta ihe ize ndụ maka ndị ọzọ(lelee okwu ọha si n'aka Ndị Nche Ikikere Mmadụ, P-29659). Ndị Otu kwukwara na mbiputa a nwetara ọnụọgụgụ nkiri dị ebube (karịrị nde 3.6), nke mụbara ohere mmadụ ịkọta ụmụ nwoke ahụ e gosiri n'ihe onyonyo ahụ yana mbiputa na-egosi ndị na-ekiri ya imerụ ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ n'ụbara. Ọzọkwa, Ndị Otu gosipụtara okwu na-agbawa obi sochiri ihe onyonyo ahụ, nke gosiri ebumnobi ndị na-ekiri ya ikpughe ma menye ụmụ nwoke ahu ihere, na-akwanye ndị ọzọ ịkpaso ha oke ma merụọ ha ahụ. Ọnụọgụgụ ngosiputa obi (ihe ruru 9,000), okwuntụkwasa (ihe ruru 8,000) na nkesa (ihe ruru 5,000) na-egosi na onye biputara ihe ahụ gbalịrị ime ka ndị ọzọ sonye, na-emekwu ka ohere imerụ ha ahụ na-abawanye, ma n'ebe ụmụ nwoke ndị ahụ e gosiri n'ihe onyonyo ahụ nọ yana ma ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+na Naijirịa

Mgbochi okwu dabere na Edemede 20, nkebi ICCPR abụọ kwesịrị imezu nnwale akụkụ atọ Edemede 19 (Okwu Izugbe Nọmba. 34, nkebi 50). Ihe nnyocha ahụ sochiri ya na-achọpụta na mwepụ mbiputa ahụ dabara na Akụku 19.

1. *Ikikere Ikwu Okwu (Edemede 19 ICCPR)*

Edemede 19 ICCPR na-eweta nnukwu nchekwa n'ikwu okwu, gụnyekwa ikwu uche gbasara ndọrọndọrọ ọchịchị na mkparịtaụka gbasara ikikere mmadụ, yana okwu e nwere ike itulee ka "nke na-akpasu iwe nke ukwuu," (Okwu Izugbe Nọmba. 34 (2011), nkebi 11, lekwa nkebi 17 nke akụkọ Ndị Ọrụ UN na-ahụ maka Nchekwa Ikikere Ikwu Okwu 2019, A/74/486). Mgbe steeti hiwere mgbochi ikwu okwu, ha ga-emezurịrị ihe a chọrọ nke gụnyere iwu, ebumnobi iwu kwadoro, yana ọdịmkpa nakwa nhatanha(Edemede 19, nkebi 3, ICCPR). A na-arụtụ ihe ndị a na-achọ ka nnwale akụkụ atọ." Ndị Otu na-eji akụkụ a akọwapụta okenọrụ Meta n'ichekwa ikikere mmadụ dịka Ụkpụrụ Nduzi UN n'ihe gbasara Ọrụ na Ikikere Mmadụ hiwere. Ndị Otu na-eme ihe a mana n'ihe gbasara mkpebi mbiputa nke onye ọbụla na-eme n'okpuru nnyocha na ihe nke a na-ekwu gbasara otu Meta si emeso nchịkwa mbiputa n'ụbara. Dịka Ndị Otu UN na-echekwa ikikere ikwu okwu na-ekwuoola, n'agbanyeghị na "ụlọ ọrụ enweghị ihe gọọmentị kwesịrị imere ha, mmetụta ha bụ ụdịrị ihe a chọrọ ka ha nyochaa otu ụdịrị ajụjụ gbasara ichekwa ikikere ikwu okwu ndị ji ebe mgbasa ozi ha eme ihe," (A/74/486 nkebi 41).

Ka Ndị otu kwuru na iwu ọtụtụ mbiputa bụ ihe a ga-etinye n'ọrụ n'okwu a, nnyocha akụkụ-atọ lekwasịrị anya na ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard Meta, ebe ọ bụ na nke a bụ iwu kpatara ụlọ ọrụ ji wepụ mbiputa ahụ ozugbo

I. *Ndaba N'Iwu (Ido anya na Nnweta Iwu)*

Ụkpụrụ nke iwu kwadoro na-achọ ka iwu na-ebelata ikwu okwu bụrụ ihe a ga-enweta ma dokwa anya, nke eji izi ezi zuru ezu mee iji nye mmadụ ohere ị na-ejikwa agwa ha (Okwu Izugbe Nọmba, 34, nkebi 25). Na mgbakwunye, iwu ndị a"nwere ike ghara inye ikikere na-enweghị oke maka mgbochi ikikere ikwu okwu nke ndị a a machiri n'ihi ihe [ha] mere" ma "ọ ga-ewetarịrị ntuziaka zuru ezu nye ndị a machiri maka ihe ha mere iji mee ka ha nyochaa ụdịrị okwu ndị a machibidoro n'ụzọ ziri ezi nakwa ndị nke a machibidoro n'ụzọ na-ezighị ezi" (Ibid.). Ndị Otu UN Na-echekwa Ikikere ikwu okwu ekwuoola na iwu kwesịrị ido anya ma dịrị kpọmkwem mgbe ọ metụtara nchịkwa okwu n'ịntanetị nke mmadụ nkịtị (A/HRC/38/35, nkebi 46). Ndị ji ebe mgbasa ozi Meta eme

ihe kwesịrị inweta ma ghọta iwu ndị ahụ ma ndị nnyocha mbiputa kwesịrị inwe ntuziaka doro anya gbasara ịrụ ọrụ ha.

Ndị Otu chọpụtara na mmachibido "ndị na-ekwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọha" site n'ikpughe njimara ha maọbu ebe ha nọ jịkọrọ onye ọbula a hụtara ka onye otu ndị na-ekwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọhaedoghi anya nke ọma ma ghara ịbụkwa ihe ndị ji ya eme ihe ga-enwetanwu.

Ụkpụrụ Ọgbakọ anaghị enyenkọwapụta zuru ezu maka ndị ji ya eme ihe ịghọta ma kwuo ndịiche dị na iwu abụọ metụtara"nkwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọha" yiri onwe ha. Ndị Otu na-enwe mmetụta naỤkpurụ Ọgbakọ akọwaghị n'ụzọ doro anya na n'iwu mbiputa n'ụbara na-amachibido "nkwuputa na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya" gụnyere ịkọta ndị ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+n'obodoebeọnọdụ mejupụtara ya na mpaghara na-egosipụta ohere mmerụahụ na gburugburu mmadụ nọ ka nke dị elu Ugbu a ozi a dị adị na ntuziaka nnyocha mbiputa maka ndị nnyocha, na-ewepụ ohere ojiarụ ịma na onye e boro ịbụ onye nọ n'ihe ize ndụ nye "otu na-ekwuputa na mmadụ bụ ikom na-edina ikom maọbụ inyom na-edina inyom ibe ya" gụnyekwa ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA n'ụfọdụ obodo.

Ndị Otu na-enwe mmetụta na mgbagwojuanya gbara iwu Meta gburugburu na mbiputa na-egosipụta ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ nwere ike iduba na mgbagwojuanya ndị ji ya eme ijhe ma gbochie ha idobe iwu ebe mgbasa ozi ahụ Ọ na-ekepụtakwa ihe mgbochi nye ndị ebu n'obi eme mbiputa na-akparị mmadụ na-achọ ka ewepụ ụdịrị mbiputa ndị ahụ. Meta kwesịrị, n'ezie, ite akụku ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard' na-amachibido "nkwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe maọbụ onye na-edina nwaanyị ibe n'ihu ọha" nakwa na ụlọ ọrụ ndị na-etinye ya n'ọrụ n'ụbara, iji gunyekwa'ọmụmaatụ ndị otu na-ekwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe maọbụ onye na-edina nwaanyị ibe ya n'ihu ọha, gụnyekwa ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+n'ụfọdụ obodo.

*II. Ebumnobi Iwu Kwadoro*

Ihe mgbochi ọbụla n'ikikere ikwu okwu kwesịrị ịchụso ebumnuche iwu otu maọbụ abụọ iwu kwadoro e depụtara na ICCPR, nke gụnyere ichekwa ikikere ndị ọzọ (Edemede 19, nkebi 3, ICCPR).

Iwu megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard na-arụ ọru ebumnuche iwu kwadoro "igbochu na ịkwusị mmmerụ ahụ na gburugburu mmadụ nọ," gụnyekwa site n'ichekwa ikikerendị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ na ndị a hụtara ka ndị ahụ n'obodo ndị dị na gburugburu ụwa ebe "ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+na ndị a hụtara n'obodo gburugburu ụwa ebe "nkwupụta na mmadụ bu onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwanyị ibe ya n'ihu ọha" na-ekepụta ihe ize ndụ nye nchekwa. Ikikere ndị ahụ gụnyere ikikeremegidere mkpaso oke (Edemede 2 na 26, ICCPR) gụnyekwa n'itinye ikikere ikwu okwu ha n'ọrụ yana iso n'ogbakọ (Edemede 19 na 21, ICCPR), inwe ohere nkeonwe ya (Edemede 17, ICCPR), nakwa ndụ (Edemede 6, ICCPR), na nnwereowe na nchekwa (Edemede 9, ICCPR).

### *III. Ịdị Mkpa na Nhatanha*

N'usọrọ Edemede 19(3) ICCPR, ịdị mkpa na nhatanha na-achọ ka ihe mgbochi ikwu okwu "ga-abụ́rịrị nke ziri ezi iji nweta ịrụ ọrụ ha nwere nchekwa; ha ga-abụrịrị ihe a ga-eji eme nkwụsị na-anataghị ikikere n'etiti nke nwere ike imezu ịrụ ọrụ ha nwere nchekwa; ha ga-abụrịrị otu ihe na ọchịchịọ ya a ga-echekwa," (Okwu Izugbe Nọmba 34, nkebi 34).

Ndị Otu na-achọpụta na mkpebi Meta meren'ikpeazụịwepụ mbiputa ahụ n'ebe mgbasaozi diịrị mkpa ma nwe nhatanha. Nchọcha nke Ndị Otu nyere ikikere ka eme gosipụtara na ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ na Naijirịa bụ ndị a na-aga n'ihu emeso ihe ike, anwuchi aghara aghara, eyinye egwu, eme ka obi tawa ha ụta na ikpa oke, na ihe ize ndụ nke ịta ha ahụhụ n'okpuru iwu. Mbiputa ahụ n'onwe ya gosipụtara nsonnazụ nke ihe yiri ka ọ bụ ntaramahụhụ gụnyere imeso ahụ mmadụ ihe ike maka na e boro ya na ha bụ ndị ikom nọ na mmekọrịta. N'ọnọdụ, Ndị Otu na-ekpebi na iwu mmanye ziri ezi e mere maka ichekwa ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ bụ ihe dị oke mkpa, ọkachasị n'obodo ebe a na-ekpe mmekọrịta nwoke na nwoke ibe maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka mpụ. Ka ihe ize ndụ dị, Ndị Otu

chọpụtara na mwepụ mbiputa ahụ bụ ihe kachasị nta e mere na-anataghị ikikere onye ọbụla iji chekwaa ndị "e kwupụtara na ha bụ ndị nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya" n'okwu a. Mmebi si na "nkwupụta na mmadụ bụ onye nọ na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya" bụ nke e mere na mberede ma bụrụkwa nke a na-agaghi emeghashinwu; ụdịrị usoro ahụ bụ nke ga-arụ ọrụ ma ọ bụrụ na etinye ya n'ọrụ n'oge.

Ọ na-emetụta Ndị Otu na Meta akọtaghị ma wepụ mbiputa ahụ o doro anya na ọ dịghị mma na-egosipụta njimara ndị e boro na ha bụ ndị ikom na-edina onwe ha na-abụghị ọchịchọ obi, nke na-akpata ụjọ makandị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+na-akwalite gburugburu ebe a na-anabata ị na-ede ndị otu a na-akpaso oke ma mee ya kaọ bụrụ ihe ziri ezilelee okwu izugbe nke GLAAD, PC -29655) N'agbanyeghị na mbiputa ahụ megidere Ụkpụrụ Ọgbakọ anọ, bụrụ nke e mere mkpesa ya ugboro otu narị na iri na abụọ (112 times) na nke ndị nchịkwa atọ dị iche iche nyochara, ọ bụ naanị mgbe Ndị Otu họrọchara okwu ahụ maka nnyocha ka Meta wepụrụ mbiputa ahụ ma hụ e wepụrụ ụdịrị mbiputa nwekaraotu ihe onyonyo ahụ. Ndị Otu hụtara ịdị njọ ọnọdụ mgbe ha hụrụ otu ihe onyonyo ahụ si gbasaankee kiriri ihe karịrị ugboro nde atọ na puku narị isii, nweta ihe dịka ngosipụta obi puku iteghete na okwuntụkwasa puku asatọ ma nweta nkesa ihe ruru puku ise n'ọnwa ise.

Ndị Otu ghọtara na nkwarụ ntinye iwu n'ọrụ bụ nke a tụrụ anya ya na njikwa mbiputa n'ùkwù, ya mere, nkọwapụta meta n'okwu agosipụtara emeghị ihe otu kwesịrịnụ. Ka Meta na-etinyekwuola aka iji melite izi ezi mgbe ọ na-etinye ụkpụru megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard n'ọrụ nakwa na-achọ igbochi nkwarụ yiri nke ahụ ime ọzọ site n'inyekwu ọzụzụ ọzọ, ọ kọwaghị usoro e mere iji hụ na ndị nnyocha bụ mmadụ nyochara mbiputa megide ụkpụrụ Meta niile. Nke a dịkarịsịrị mkpa n'okwu, nke ndị nnyocha atọ bụ mmadụ nyochara mbiputa ahu mekwara otu nkwarụ ahụ, ghara inyocha mbiputa ahụ n'okpuruUkpụrụ ọgbakọ ndị ọzọ. Nke a na-egosi naUsoro mmanye iwu Meta ezughị ezu

Ndị òtù ahụ chọpụtara nkwarụ dị na mmanye iwu Meta ka nke bụ ihe ize ndụ kpọmkwem n'ihi otu Naijiria si ekpe mmekọrịta nwoke na nwoke maọbụ nwanyị na nwanyị ka mpụ. Iji melite ntinye iwu a n'ọrụ, nakwa iji kwalitekwuo usoro ahụ ụlọ ọrụ na-etinyeela n'ọrụ, Meta kwesịrị imanye ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standardnke na-amachibido mbiputa na-ekwupụta na mmadụ bụ onye nọ

na mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya site n'igosinjimara ha maọbụ ebe ha nọ. Dabere na nsoonazụ nnyocha aMeta kwesịrị imelite izi ezinke mmanye ụkpụrụgụnyekwa site na mmelite ọzuzụ maka ndị nnyocha mbiputa, ebe ọ bụ naagaghi akwadoudịrị mbiputa a.

Ndị Otu nychokwara ụkpụrụ mmanye iwu Meta na mpaghara na-asụ ọtụtụ asụsụ. Na nkwukọrịta ya na Ndị otu, Meta ghọtahiere asụsụ ihe onyonyo ahụ ka asụsụ Swahili, ebe ọ bụ asụsụ Igbo n'ezie. N'ịzaghachị ajụjụ si n'aka Ndị Otu bịa, Meta kwuru na Igbo abụghị asụsụ a kwadoro maka nchịkwa mbiputa n'ùkwù maka ndị Naijiriạ, ọ bụrụgodinụ na Meta na-enye nkwado maka nchịkwa mbiputa na Igbo site na nnyocha e mere n'ụzọ ziri ezi. Dịka Meta si kwuo. akwadoghị asụsụ ahụ n'ihi maka na ọchịcho njikwa mbiputa n'asụsụ Igbo dị ala. Kaosinadị, Meta gwara Ndị otu na mgbe mbiputa dị n'asụsu ndị nnyocha ụlọ ọrụ na-enyocha mbiputa n'ùkwù na-akwadoghị, dịka Igbo, a na-ezigara ya ndị nnyocha na-anaghị eji asụsụ igwe arụ ọrụ (ndị nnyocha na-arụ ọrụ na mbiputa dị n'ọtụtụ asụsụ) ndị nke na-enyocha mbiputa dabere na ntụgharị nke igwe ntụgharị asụsụ Meta mepụtara. Meta gwakwara Ndị Otu na o nwere ndị ole na ole na-asụ Igbo ma na-arụ ọrụ asụsụ nke ọma yana nnyocha ndịnaya maka Igbo dị ole na ole n'agbanyeghị na ọ bụghị n'ụbara, maka ụlọ ọrụ ahụ.

Ndị Otu kwenyere na Meta nwere usoro ndị ga-enye ohere maka njikwa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị, dịka nnyocha asụsụ na-ejighị igwe ntụgharị asụsụ na ndị okammụta na Igbo dị ole na ole. Kaosinadị, Ndị Otu nwere mmetụta na site n'ịhapu ime ka ndị nnyocha bụ mmadụ na-asụ Igbo na njikwa mbiputa n'ùkwù n'asusụ a sonye, nke mmadụ nde iri na Naijiriạ nakwa na gburugburu uwa na-asụ, ikikere ụlọ ọrụ ijikwa mbiputa ma belata ihe ize ndụ nwere ike ịpụta na-ebelata. Nke a nwere ike iduba n'ihe ize ndụ nye ikikere na nchekwa ndị ji ya eme ihe, dịka ahụmihe ụmụ nwoke abụọ e gosiri n'ihe onyonyo ahụ n'okwu a. N'itinye okenọrụ ichekwa ikikere mmadụ o nwere n'ọrụ, Meta kwesịrị inyochagharị usoro ya maka ihorọ asụsụ gasi maka nkwado n'aka ndị nnyocha ulọ ọrụ na-enyocha mbiputa n'ùkwù iji nọrọ n'ọnọdụ kaa mma igbochi ma belata ihe ize ndụ n'otu esi eji ebe mgbasa ozi arụ ọrụ.

Ọzọkwa, Meta gwara Ndị Otu na igwe akpaaka na-achọpụta asụsụ chọpụtara asusụ ahụ ka asụsụ Bekee, tupu o ziga mbiputa ahụ maka mmadụ inyocha ya. Dịka Meta kwuru, nke a mere n'ihi na isiokwu onye ahụ bipụtara maka ihe onyonyo ahụ dị n'asụsụ Bekee. Ihe onyonyo ahụ niile dị n'asusụ Igbo ebe isiokwu ya dị n'asụsụ Bekee. Meta kwenyere na ọ ghọtahiere asụsụ mbiputa ahụ. Ọ na-emetụta Ndị Otu na e nwere nkwarụ na nziga mbiputa dị n'asụsụ abụọ, nke kpatara mmanye iwu na-ezighị ezi.

Iji melite nsirimeta na izi ezi nnyocha mbiputa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị, Meta kwesịrị ịhụ na igwe nchọpụta asụsụ ga-eme ezi nchọpụta mbiputa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị ma nye ndị nnyocha na-anaghị eji igwe ntụgharị asụsụ arụ ọrụ ntụgharị mbiputa ahụ ziri ezi Meta kwesịrị ijide n'aka na a ga-ezigara ndị nnyocha asụsụ na-anaghị eji igwe ntụgharị asụsụ arụ ọrụ ụdịrị mbiputa mgbe dum, ọ bụrụgodinu na mbiputa ahụ nwere ma asụsụ ndị a kwadoro na ndị a na-akwadoghị ọnu. Ụlọ kwesịkwarainye ndị nnyocha nhọrọ izigagharị mbiputa dị n'asụsụ a na-akwadoghị maka nnyocha ziri ezi.

Ndị Otu nwere mmetụta na mgbe Meta wepụchara mbiputa n'okwu a, Ndị Otu chọpụtara ọtụtụ mgbe na a hapụkwuru akụkụ otu ihe onyonyo ahụ na Disemba 2023, gunyekwa Otu Facebook gasi, nke a na-ewepụghị. Nke a gosipụtara na Meta ga-ejirịri okenọrụ ya bụ ịhụ na a kwanyere ikikere mmadụ ugwu kpọrọ ihe n'okpuru UNGP gasi. Ndị Otu nabatara eziokwu bụ na e tinyere ihe onyonyo ahụ n'ebe na-achopụta ma na-ewepụ mbiputa ndị a na-ahụtaalarị ka ihe megidere iwu ozugbo a na-akpọ 'Media Matching Service bank' iji gbochie ntinye ndị ọzọ, ka o gosiri Meta akụkụ ihe onyonyo ndị ọzọ fodụrụ na Facebook. Dịka e gosiri ogo ihe ize ndụ nye ikikere mmadụ nke nwere ike ịdapụta n'ojiji ebe mgbasa ozi Meta ekesa ụdịrị ihe onyonyo a, Meta kwesịrị ime ka enwe usoro akpaaka ga na-etinye ụkpụrụ n'ọrụ nke ọma iji na-ewepụ mbiputa ndị na-emegide ukpụrụ dika ihe onyonyo a, ka ọ bụrụ ihe mgbakwunye nye iji igwe na-achopụta ma na-ewepụ mbiputa ndị a na-ahụtaalarị ka ihe megidere iwu ozugbo a na-akpọ 'Media Matching Service bank'.

## 6. Mkpebi Ndị Nnyocha Mkpebi Mere

Ndị otu nnyocha mkpebi a na-akpọ Oversight Board gbanwere mkpebi Meta ịhapụ mbiputa ahụ

## 7. Ntuziaka gasi

A. <u>Ụkpụrụ Mbiputa</u>

1. Meta kwesịrị imelite mmachibido nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ nwere n'ozuzu n'ihe gbasara "nkwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe maọbụ onye na-edina nwaanyị ibe n'ihu ọha" iji gunye ezi ọmụmaatụ "nkwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe maọbụ onye

na-edina nwaanyị ibe ya n'ihu ọha," gụnyekwa ndị na-eme ihe dị iche n'okike a na-akpọ ndị LGBTQIA+ n'obodo ndị a hụtara mmekọrịta nwoke na nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị na nwaanyị ibe ya ka arụ na/maọbụ ụdịri mkpughe ahụ na-ekepụta ihe ize ndụ dị njọ nye nchekwa

Ndị Otu ga-ahụ ntuziaka a ka nke e tinyere n'ọrụ mgbe asusụ ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard' ọha na-enweta gosiri mgbanwe nke e mere ntuziaka ya.

B. <u>Ntinye Iwu N'ọrụ</u>

2. Iji melite ntinye n'ọru ụkpụrụ ya, Meta kwesịrị ime nnyocha izi ezi ntinye iwu n'ọrụ nke mmachibido ọtụtụ mbipụta n'ebe mgbasaozi na mkpughe njimara maọbụ ebe onye e boro ebubo ịbụ otu n'ime ndị na-ekwuputa na mmadụ bụ onye na-edina nwoke ibe ya maọbụ nwaanyị ibe n'ihu ọha nọ, n'okpuru ụkpụrụ megidere nkwado na nkwanye ịmerụ mmadụ ahụ na imebi ihe ndị mmadụ bụ 'Coordinating Harm and Promoting Crime Community Standard.'

Ndị Otu ga-ahụta ntuziaka a ka nke e tinyere n'ọrụ mgbe Meta kesara rịzọọtụ nnyocha n'ihu ọha ma kọwaa otu ụlọ ọrụ ga-esi melite izi ezi ụkpụrụ a e tinyere n'ọrụ.

3. Iji melite nsirimeta na izi ezi nnyocha mbiputa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị, Meta kwesịrị ịhụ na igwe nchọpụta asụsụ ga-eme ezi nchọpụta mbiputa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị ma nye ndị nnyocha na-anaghị eji igwe ntụgharị asụsụ arụ ọrụ ntụgharị mbiputa ahụ ziri ezi.

Ndị Otu ga-ahụ ntuziaka a ka nke e tinyere n'ọrụ mgbe Meta kesara data na-egosi izi ezi nziga na nnyocha mbiputa n'asụsụ ndị a na-akwadoghị.

4. Meta kwesịrị ịhụ na a ga-eziga mbiputa dị n'asụsụ a na-akwadoghị, ọ bụrụgodinu e bipụtara ya na asụsụ ndị a kwadoro maka nnyocha ziri ezi. Nke a gụnyere inye

ndị nnyocha nhọrọ izigagharị mbiputa dị n'asụsụ a na-akwadoghị maka nnyocha ziri ezi.

Ndị Otu ga-ahụ ntuziaka a ka nke e tinyere n'ọrụ mgbe Meta nyere Ndị Otu data na-egosi ntinye n'orụ nke nhọrọ ebenziga maka ndị nnyocha.

***Ndetu Usoro:**

- Mkpebi Ndị Nnyocha Mkpebi bụ nke Ndị Otu dị ise mere nakwa nke a kwadoro site na ntụliaka Ndị Otu niile kachasịnụ. Mkpebi Ndị Otu anaghị abụcha uche ndị Otu niile.

- N'usọrọ Iwu Nkwekorịta ya, Ndị Otu Nnyocha nwere ike inyocha arịrịọ ndị Meta wepụrụ mbiputa ha, arịrịọ sitere na ndị mere mkpesa mbiputa Meta hapụrụ ka ọ nọrọ, yana mkpebi ndị Meta rụturụ aka (Edemede 2, nkebi 1 Iwu Nkwekọrịta). Ndị Otu nwere mkpebi iwu kwadoro a ga-esorịrị iji gbanwee mkpebi mbiputa Meta na-eme (Edemede 3 Iwu Nkwekorịta, Nkebi 5; Edemede 4 Iwu Nkwekorịta). Ndị Otu nwere inye Meta ntuziaka na-abụghị iwu na Meta ga-emerịrị ya (Edemede 3 Iwu Nkwekorịta, Nkebi 4; Edemede 4; Iwu Nkwekorịta). Ebe Meta kwere ime ntuziaka e nyere ya, Ndị otu na-eleba anya n'ihe omume ha.

- Maka mkpebi okwu a, e mere nchọcha nkịtị n'aha Ndị Otu. Ndị Ndụmodu Duco, ulọ ọru na-enye ndụmọdụ na-elekwasị anya na njikọta jiopolitiks, ntụkwasị obi na nchekwa, yana teknuzu nyere Ndị otu aka. Memetica, otu nnyocha dijitalụ na-enye ndụmọdụ gbasara ihe ize ndụ na otu a ga-esi egbochi ya iji belata ihe ize ndụ n'ịntanetị, wetakwara nchọcha. Ọ bụ ụlọ ọrụ Lionbridge Technologies LLC ndị nwere ndị ọkammụta mara asụsụ karịri 350 nke ọma ma si na mpaghara 5,000 arụ orụ n'ofe mbaraụwa, rụrụ ọrụ asụsụ.